RM Partners
NW & SW London Cancer Alliance

NHS

# Ihe ndị aga-achọ

## Ihe iriba ama na mgbaama ọrịa kansa

Ịmata ọrịa kansa n'isi mbido na-azọ ndụ, ya mere gwa dọkịta gị ma ọbụrụ na ị hụta ihe ọbụla na-adịghị etu o kwesiri ịdị n'anya gị.

Ọ dịghị mkpa ịgbalị icheta ihe iriba ama na mgbaama ọrịa kansa niile - gee ahụ gị nti ma gwa dọkịta gị ma ọbụrụ na ị hụta ihe ọbụla na-adịghị etu o kwesiri ịdị n'anya gị.

Ihe na-akpatakarị ihe iriba ama na mgbaama ọrịa na-abụkarị ihe na-adịchaghị njọ karịa ọrịa kansa - mana ọ bụrụ na ọ bụ ọrịa kansa, ịchọpụta ya n'oge nwere ike inye ezigbo aka.

**Lee ozi ndị ọzọ dịnụ ma chọọ 'CRUK gịnị kpatata ịchọpụta ọrịa kansa n'oge jiri dị mkpa'**

*Agbanwere ozi a site na ozi nke emepụtara na mbu n'aka ndị na-ahụ maka Nyocha Ọrịa Kansa na mba UK nakwa ndị ụlọ ọrụ nkwado ọrịa kansa bụ Macmillan Cancer Support, nke ejigharịrị site na nnata ikikere.

# Ihe ndị aga-achọ...

## Ihe ndị a bụ ụfọdụ ihe iriba ama na mgbaama ọrịa kansa kachasị mkpa.

## Ọ bụrụ na ị chọpụta ihe ọbụla na-adịghị ka o kwesiri ịdị n’anya gị.

## Ma ọ nọ na ihe ndepụta ndị a maọbụ na ọ nọghị ya, gaa ka elele ya.

---

- Ịgba oke ọsụsọ n’abali nke ukwuu
- Ike ọgwụgwụ
- Nchihia ahụ na ọbara ọgbụba a na-amaghị ihe kpatara ya
- Ihe mgbu maọbụ ahụ ufu a na-amaghị ihe kpatara ya
- Ifelata n’ibu nke a na-amaghị ihe kpatara ya
- Akpụ maọbụ ọziza ana-anaghị ahukebe n’ebe ọbụla n’ahụ gị
- Ntụpọ n'ọnụahụ ọhụrụ maọbụ mgbanwe na ntụpọ n'ọnụahụ
- Ọnya/ọnya sitere n’oke ndina nke na-adịghị ala ala
- Ọnya njụpụta n’ahu ọhụrụ maọbụ nke na-agbanwe agbanwe dịka ntụpọ n'ọnụahụ n’ebu ibu na nha maọbụ na-agbanwe n’ụcha ya

---

**Kpọtụrụ dọkịta ezinụlọ gị banyere mgbaama ọrịa ndị a, ma ọbụrụ na ha na-aga n’ihu, amaghị ihe kpatara ya maọbụ nke a na-anaghị ahukebe n’anya gị**

*Agbanwere ozi a site na ozi nke emepụtara na mbu n’aka ndị na-ahụ maka Nyocha Ọrịa Kansa na mba UK nakwa ndị ụlọ ọrụ nkwado kansa bụ Macmillan Cancer Support, nke ejigharịrị site na nnata ikikere.



- Olu mgbaka maọbu ụkwara nke na-adịghị ala ala
- Ọnya n'ọnụ maọbụ n'ire nke na-adịru ruo izu atọ

---

- Ịkwapụta ọbara
- Inwe ihe isi ike n'ilo ihe

---

- Ekutechaghị ume
- Ire ọkụ n'obi nke na-anaghị akwụsị akwụsi maọbụ nri agbarighi nke ọma n'afọ

---

- Mgbanwe ana-adịghị ahukebe na nha, ọdịdị, maọbụ na imetụta ara aka, maọbụ obi, gụnyere ọnụ ara maọbụ mgbanwe na ụcha anụ ahụ

---

- Afọ iko eko nke na-adịghị agbadata
- Enweghi agụụ iri nri/ifelata n'ibu nke a na-amaghị ihe kpatara ya

---

- Mgbanwe na-etu esi anyụ nsi, dịka afọ ntachị, ịnyụ nsi n'esighi ike maọbụ ịnyụ nsi karịa ka esi anyụ na mbu
- Ọbara ịdị na nsi gị

---

- Ọbara esi na-ahụ nwanyị apụta mgbe a na-atụghị anya ya, gụnyere mgbe enwesiri mmekọahụ, mgbe a na-ahụ nso maọbụ n'oge nwanyi kwụsiri ịhụ nso ya
- Ọbara na mmamiri gị
- Nsogbu n'ịnyụ mmamiri

*Agbanwere ozi a site na ozi nke emepụtara na mbu n'aka ndị na-ahụ maka Nyocha Ọrịa Kansa na mba UK nakwa ndị ụlọ ọrụ nkwado kansa bụ Macmillan Cancer Support, nke ejighariri site na nnata ikikere.

# Hụ onye dọkịta ka elele mgbaama ọrịa ndị ịna enwe

**Na-enweta ndụmọdụ site n'aka onye dọkịta gị, nọọsụ, ọkammụta n'ihe banyere ọgwụ maọbụ dọkịta ezinụlọ mgbe niile ma ọbụrụ na ị nwere mgbaama ka na-aga n'ihu.**

## Ntụziaka maka ịkwụrịtara onye dọkịta, nọọsụ, ọkammụta n'ihe banyere ọgwụ maọbụ dọkịta ezinụlọ okwu:

- Chee echiche banyere ihe ị chọrọ ịkwụ.
- Ị nwere ike idetu ihe ụfọdụ.
- Mgbe ụfọdụ ọ na esi ike ịhopụta oge ịhụ dọkịta, ị nwere ike ịkpọ ihe karịrị otu ugboro.
- Kpọrọ mmadụ gaa maka enyemaka.
- Kwuo okwu ma gekwa ntị, gbalia kọwaa mgbaama ọrịa ahụ n'okwu nke gị.
- Zaa ajụjụ ọbụla n'eziokwu dịka ị nwere ike.
- Dọkịta gị ga-akọwara gị ihe ọbụla nke gbagwujuru gị anya.
- Chetakwa, mgbaama ọrịa abụghị ihe a na-echegburu onwe.

Biko chetakwa, nyocha ọrịa kansa na-ebunuche ịchọpụta ọrịa kansa tupu ị nwee mgbaama ọrịa. Ọ bụrụ na ị gawo ịhụ dọkịta maka nyocha mana nwee mgbaama ọrịa nke na-echegbu gị, biko kpọtụrụ dọkịta ezinụlọ gị. Chọpụtakwuo banyere nyocha ọrịa kansa n'efu-**Lee ozi ndị ọzọ dịnụ ma chọọ 'CRUK gịnị kpatata ịchọputa ọrịa kansa n'oge jiri dị mkpa.**

**Kpọọ dọkịta ezinụlọ gị ma juo maka ndụmọdụ banyere ihe ọbụla na-edochaghị gị anya.**

*Agbanwere ozi a site na ozi nke emepụtara na mbu n'aka ndị na-ahụ maka Nyocha Ọrịa Kansa na mba UK nakwa ndị ụlọ ọrụ nkwado kansa bụ Macmillan Cancer Support, nke ejigharịrị site na nnata ikikere.